# NJIDE NKE PỌL NA JERUSALEM

**Ọlu Ndi-ozi 21:1-40; 22:1-30; 23:1-35**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 370**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na Chineke enyegh-ayi mọ nke ujọ; kama ọ bu nke ike na ihu-n'anya na ime ka uche zu okè" (2 Timọti 1:7).**

**I Pọl Nanjèm Irú Jerusalem**

1 Pọl na ndị ya na ha naayịkọ nọgidere na Taia ụbochị asaa, Ọlu Ndi-ozi 21:1-4

2 Na Taia ndị náesoụzọ Jisọs wee gwa Pọl site na Mmụo Nsọ na mkpagbu na agbụ naechere ya na Jerusalem, Ọlu Ndi-ozi 21:4-7.

3 Na Sisaria, Mmụọ Nsọ nke Chineke dọkwara Pọl akanántị ọzọ na ndị Ju ndị nọ na Jerusalem gaeke ya agbụ, Ọlu Ndi-ozi 21:8-14; 20:22, 23.

**II Pọl Jeruru Na Jerusalem**

1 Pọl kọrọ Jemes na ndịokenye niile nke nzukọ Kraist banyere ijéozi ya, Ọlu Ndi-ozi 21:15-20

2 Ndịokenye gwara Pọl ka o kwee mkwà ya na mmadụ anọ ndị ọzọ bụ nke o mezuworo iji mee ka obi jụrụ ndị Juu, Ọlu Ndi-ozi 21:20-26

3 Ndị Juu iwe naewe jidere Pọl dọkpụrụ ya, ma ọ bụ náánị mgbochi nke ndịagha Rom mere ka ha ghara imerụ ya arụ, Ọlu Ndi-ozi 21:27-37

**III Ịgbààmà Nke Pọl na Mkpọrọ A Tụrụ Ya**

1 Enyere Pọl ohere ka ọ gwa ndị Juu okwu, Ọlu Ndi-ozi 21:38-40; 22:1-21

2 Ndị Rom jidere Pọl rue echi ya, n'oge ahụ o wee gba kwa àmà ọzọ n'iru onye isinchụàjà na nnọkọikpé ahụ na n'iru ndị Rom, Ọlu Ndi-ozi 22:22-30; 23:1

3 Ndị Juu nwara igbu pọl, ma ndịagha nke ji ngwaagha duru Pọl rue na nke Filiks bụ́ Gọvọnọ ka ọ jụkwa ya ajụjụ ọzọ, Ọlu Ndi-ozi 23:2-35

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Nwoke ahụ bụ Pọl

Ihe niile edere n'isi ebeọgụgụ asatọ nke ikpeazụ n'Akwụkwọ Ọlu Ndị-ozi naakọ banyere ihe niile mere Pọl Onyeozi mgbe ọ fọdụrụ ihe ntà ka ndụ ya bịa n'ọgwụgwụ. Pọl bụ nwoke nwere ná ndụ ya ịnụọkụn'obi banyere izisa Kraist nye ọra mmadụ ndị náamaghị ihe ọ bụla banyere Ya. Pọl nyefebigara ndụ ya ókè n'ebe ọlụ Chineke dị; ọ bụ inyebiga onwe ya ókè na inwe ịnụọkụ náenwuenwu, ya na ndọgbu n'ọlụ ya náesepụghịaka n'ebe ọlụ Onyenwe anyị dị, kpatara Mmụọ Nsọ ji kpalie odide nke ọtụtụ iruakwụkwọ nke Baịbụl, náakọwa ndụ nke nwoke a na ọlụ ya niile iji kwalite mmụọ nke ụmụmmadụ nime ọgbọ niile ọzọ nke gaeso. N'oge nke Pọl, o mere ka ụmụmmadụ mata n'ebe ọ dị ukwu ịhụn'anya ya n'ebe Chineke nọ; n'ihi odide banyere ndụ ya nime Baịbụl ndụ ya abụrụwo ihe nñomi na ihe na emetuta ndụ ndịozọ site na mgbe ahụ rue ugbu a; ya onwe ya kwa dịka Ebel, naekwu kwa okwu, ọbụ ezie na ọ nwụworị.

### Ijé nke Ákàràákà

Mmụọ Nsọ kpaliri Pọl ka ọ ga Jerusalem ọzọ. Ijé a bụ ihe biri na mgbe o guzoro n'iru ụlọikpé kachasị n'obodo ndị Rom, bụ́ nke Sisa,

Ọ bụ ezie na adọrọ Pọl akanántị n'obodo ọ bụla banyere nsogbu nke náechere ya na Jerusalem n'aka ndị Juu ma nke a emeghị ka ọ tụọ egwù ijé ijè ya. Akpọrọ Pọl òkù izisa Oziọma Jisọs Kraist nye Ndịmbaọzọ, ma obi ya naanụọkụ mgbe niile banyere nzọpụta nke ndị obodo ya, bụ́ ndị Juu. O meturu

Ya n'obi nke ukwuu ịgaghachị na Jerusalem na ịgbaàmà nye ndị Juu banyere ihe ebube niile nke Kraist mewooro ya, na ịgwa ha na Ọ pụrụ imekwara ha otùaka ahụ ọ bụrụ na ha gaekwere n'aha Ya. Pọl jikeere ịgbaàmà dịotú a nye ha náagbanyeghị ihe ọ bụla nke pụrụ ịdakwasị ya ma o mee nke a. Pọl matara óké urù dị n'ịgbaàmà nke onyemmehie asachara n'Ọbara Kraist, site kwa nánwapụta ya, ọ matakwara na ọ naemetụkarị ndị ọ bụla náanụ ya n'obi. Ọ dịghị ihe nwere ike karịa ịgbaàmà nke ndịkom na ndịnyom, ndị matara n'ezie na ha esiwo n'ọchịchịrị baa nime ìhè ebighịebi. Ịgbaàmà niile dị otú a bụ oziọma dịike, nke Mmụọ Nsọ Chineke tere mmanụ kaa kwa akàrà, nke ndị náanụ ha náapụghị kwa ichezọ ọsọsọ.

Nchigharị nke Pọl ewerewo otùtù tida okpukpé ndị Juu n'ala n'ebe ọ dị ukwu nke mere na ndịnáagbasa okpukpé ahụ adịghị mgbe ọ bụla ha gbaghara Pọl. Ọ bụ ihe náekwesịghị ndị Juu odidi bụịhụ na otù onye nime ndịisi ha aghọwo onye náesoụzọ nke Kraist, n'ihi nke a ha chọsiriike igbu ya n'ihi "iro-òtù" ya. Ijikwa onwe ya tinye n'ebe aka ha gaenweta ya náání ka ọ gbaàmà ọzọ nye ha bụ náání itinye ndụ ya n'ihe egwù. Náagbanyeghị ihe egwù dị otú a Pọl hụrụ nnọọ ndị obodo ya n'anya na o jikere inye ndụ ya ma ọ bụrụ na ọ bụ ihe ọ gaewe ya (Nke akwagidere ya ka o mee), naenwe olileanya na ha gaabụ ndị azọpụtara. Tupu oge a, Pọl ekwuwo banyere nzọpụta nke ndị obodo ya sị: "N'ihi na anamekperi ekpere, ka mu onwem buru anathema pua n'ebe Kraist nọ n'ihi umu-nnem, ndi-ikwum, dika anu-aru si di" (Ndi Rom 9:3). O wee kwu kwa ọzọ sị, "Ihe di n'obim ezi nma na aririọ m' na ariọ Chineke n'ihi ha bu, ka azọputa ha" (Ndi Rom 10:1). Pọl gosịrị ihe ndịa site n'inye ndụ ya n'ihi Oziọma Jisọs Kraist na okwu ndịa abụghị okwu efu kama ha sitere n'obi nke náanụọkụ nke ọchịchọ nke obi ya bụ ka ndị ya bịarue ná mmazu nke nzọpụta Kraist.

Ọ bụ ezie na ọtụtụ mmadụ gaecje ma ijè Pọl jere rue Jerusalem nke wetara ịtụ mkpọrọ na ọnwụ ya bụ ijè nzuzu, ma anyị mara site nime Akwụkwọnsọ na Chineke kwagidere ya n'ijè ya niile wee nye ya mmeri ma n'ikpeazụ O kuru ya nye onwe Ya n'Eluigwe.

Pọl tụkwasịrị nnọọ obi ya n'ike nke Chineke ichebe na ilekọta ya; ọ bụ ezie na o kwughị ya n'otù ahịrị okwu nke Job jiri kwue ya, ntụkwasịobi na okwukwe ha abụọ bụ otù n'ebe Chineke nọ, nke bụ na: "Le, Ọ gēgbum; m'gagh-echere" (Ma-ọbụ, "ọ bu ezie na Ọ gēgbum, ma m'gātukwasi ya obi") (Job 13:15).

**Ịgbaàmà na Mmeri**

Jisọs kwuru sị, "Ha gāchupu unu nime ulọ-nzukọ: e oge hour nābia, ka ọ gābu na onye ọ bula nke gēgbu unu gēche na ọ nējere Chineke ozi" (Jọn 16:2). O kwukwara sị "Ha gātukwasi unu aka-ha, sogbu kwa unu, nārara unu nye n'aka ulọ-nzukọ na ulọ-nkpọrọ, n'ebe anēduputa unu ga n'iru ndi-eze na ndi-isi n'ihi aham, Ọ gāghọrọ unu àmà, Ya mere, zube n'obi-unu, na unu agagh-ebu uzọ tughari uche otú unu gāgọpu onwe-unu: n'ihi na Mu onwem gēnye unu ọnu na amam-ihe, nke ndi nile nēmegide unu nāgagh-ipu iguzogide ma-ọbu ikwugide okwu" (Luk 21:12-15).

Nke ahụ bụ ịdọakánántị dịike, ma eleghịanya, nye ndị niile ihe ndịa Jisọs kwuru gaabịakwasị, ma ekwere ha mkwà mmeri site n'ebere na amara nke Chineke. Jisọs sịrị na Ya anọghị náání Ya, na Ya na Nna naanọ mgbe niile, nke a bụ kwa eziokwu dịrị ndị náesoụzọYa, na ha anọghị náání ha. Jisọs sịrị na ụwa gaabụ ndịiro nke ndị niile bụ ndị Kraist, ma ka ndị ahụ náesoụzọYa ghara ịtùegwù n'ihi na Ya onweYa emeriwo ụwa.

Mgbe Jọn onye Ahụrụn'anya nọ n'Agweetiti ahụ nke anaakpọ Patmọs, wee hụ ọhụ̀ dị ebube banyere ụbọchị ikpeazụ, ọ hụkwara ndịekwuru banyere ha sị: "Ndi ahu we merie ya n'ihi ọbara Nwa-aturu ahu, na n'ihi okwu àmà-ha; ha ahugh kwa ndu-ha n'anya rue ọnwu" (Nkpughe 12:11). Ọ tọrọ Onyenwe anyị ụtọ ka Pọl bụrụ otù nime ndị ahụ ndị gosịrị okwukwe na ịhụn'anya ha n'ebe Onyenwe ha nọ site n'iji ọbara nke onwe ha kachie okwu ịgbaàmà ha.

Pọl akọsiwo akụkọ ebube ahụ banyere Jisọs na ịhụn'anya Ya rue akụkụ ụwa niile ebe meghere anya; ma ọbụná mgbe ọgwụgwụ ndụ ya naabịaru nso ọ ka bụkwarị onye gaagbaàmà ọzọ n'iru ndị eze na ndị náachịachị. Ha ajụwo Eze nke Ebube ahụ, ha gaajụ kwa Pọl otùaka ahụ; ma Chineke kwesịrị ntụkwasịobi, ebere Ya na adị site n'ebighịebi rue ebighịebi. Ọzọ kwa Ọ naezipụ otù nime ndị nke Ya

ikwusa ozi a ka ụmụmmadụ chègharịa site ná mmehie ha wee nwe ndụ ebighịebi. O nweghị onye ọ bụla nke gaanụ okwu site n'ọnụ Pọl nke pụrụ ịgọpụ onwe ya sị na ya anụbeghị Oziọma ahụ. Ọ bụ ezie na ha gaekwu kwa dịka ha si ekwu na mbụ n'okwu na n'omume mgbe ha sịrị na ha achọghị ka nwoke a (Kraist) bụrụ eze ha, otú ọdị Ya onwe Ya naanọgide n'ikwesị ntụkwasịobi, Ọ chọghị kwa ka onye ọ bụla laa n'iyi, kama ka mmadụ niile nwe ndụ ebighịebi site na Jisọs Kraist Onyenwe anyị.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 Òlee otú Pọl si mata na agbu na mmekpaarụ naechere ya na Jerusalem?

2 Gịnị bụ mkpebi Pọl banyere ijè nke ọ chọrọ ijé rue Jerusalem?

3 Gịnị mere ndịokenye nzukọ nọ na Jerusalem ji chọọ ka Pọl kwee mkwà?

4 Gịnị mere Pọl ji mee otú ahụ?

5 Gịnị mere ndị Juu ji chọọ igbu Pọl?

6 Òlee otú esi napụta Pọl site námmekpaarụ?

7 Gịnị mere eji kpọrọ Pọl jee ka Filiks jụọ ya ajụjụ?